# ỤBỌCHỊ NKE MKWADOBE YA

**Zefanaia 1:14-18; 2:1-3; Aisaia 26: 20, 21; Malakai 4:1-6;**

**Matiu 24:3-14, 29-31; Luk 21:31.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 457**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma murunu anya n'oge ọ bula nāriọ aririọ, ka unu we ka n'ike igbanari ihe nile ndia nke gaje ime, na iguzo n'iru nwa nke madu" (Luk 21:36).**

**I Iwe nke Chineke**

1. Óké Mkpagbu ahụ dị nso, Zefanaia 1:14.
2. Ụbọchị ahụ gaabụ nke nsogbu na ahụhụ dị ukwu, Zefanaia 1:15-17; Malakai 4:1.
3. Oge nnapụta agafewo na mgbe ahụ, Zefanaia 1:18.
4. Anaadọ anyị akanántị ka anyị kwadobe ugbu a ịgbanarị ụbọchị ahụ nke dị óké egwù, Zefanaia 2:1-3; Matiu 24:21, 22; Luk 21:34.

**II Ụbọchị Ukwu nye Ndị ahụ nke Akwadoworo**

1. Ndị ahụ naatụ egwù Jehova ndị naejikere kwa onweha ekwesịghị ịtụ egwù maka ụbọchị ahụ, Malakai 4:2; Aisaia 26:20 ,21.
2. Jọn Onyeọwụmmiri (Elaija) onye mbuteụzọ nke Kraist, bịara náekwusa nchègharị, nke bụ ozi dị mkpà taa, Malakai 4:4-6; Matiu 17:10-13; Ezikiel 33:15.
3. Kraist gaabịa ná Mkpughe Ya n'ọgwụgwụ nke oge mkpagbu ahụ, Malakai 4:3; Matiu 24:29, 30.

**III Amụma dị icheiche Eburu Banyere Ụbọchị Mkwadobe Ya**

1. Ụgbọala ndị anaahụ́ n'ụbọchị taa na ụkọ nke ókéọhịa ka eburu námụma, Nehum 2:3, 4.
2. Mwụkwasị nke Mmụọ Nsọ nye nzukọ Kraist mbụ ahụ na nke oge ikpeazụ ka eburu n'amụma, Joel 2:22-29.
3. Ndịamụma ụgha, agha dị icheiche, na ịhụ n'anya nke ọtụtụ mmadụ ịjụoyi ka eburu n'amụma dịka ihe gaeme tutu Kraist abịaghachi, Matiu 24:3-14; 2 Pita 2:1-3.
4. Ihe ndịa naagwa anyị na mgbapụta anyị dị nso, Luk 21:31.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Anyị naebi ndụ na nso nke ọgwụgwụ oge ahụ nke anyị naakpọ Ụbọchị nke Mkwadobe. Chineke ezitewo Mmụọ Nsọ Ya nime ụwa ịchọpụta Nwunye nye Ọkpara Ya, Onye ahụ nke náalụ Nwunye Ọhụụ gaapụta ìhè n'oge náadịghị anya. Ụbọchị a malitere site na mgbe ahụ anatara Mmụọ Nsọ n'Ụbọchị nke Pentikọst. "Miri ozuzo mbu" a nke Joel buru n'amụma bịara, mezue mkwà nke Chineke, n'arụ ndị náesoụzọ Ya ndị nọ n'ụlọ elu ahụ n'otù ebe na n'otù obi náechere. Ná mmalite nke ọgbọ a anyị ahụ́wo mmezu nke otù akụ̀kụ̀ nke amụma a site ná mwụkwasị nke Mmụọ Nsọ ọzọ dịka ọ dịworo n'Ụbọchị Pentikọst. Nke ahụ bụ "miri ozuzo ikpeazu" nke Joel kwuru na ọ gaabịa. Ejiri ya tụnyere mmiriòzùzò nke anaezite n'ala Palestain n'ogologo oge garaaga ime ka mkpụrụ chaa nkeọma maka owuweiheubi. Mmiriòzùzò ikpeazụ nke imemmụọ ka anaawụpụ taa. Nwanyị ahụ anaalụọhụụ ka anaejikere kwa maka ọbịbịa dị nso nke Onyenweanyị n'ụwa nke a ọzọ.

**Emezuru Amụma**

Anyị ahụ́wo mmezu nke amụma Nehum na "ugbọ-ala gādi ka ọwa nēnwu enwu n'ụbọchị ndozi ya, na agēme ka osisi fir nile me nkpatu nke uku. N'ezi ile ka ụgbọ-ala nile kpọtuworo nkpọtu nke uku, ha nāgbaghari iru na azú n'ama nile: ha di ka ọwa nēnwu enwu n'ile ha anya, dika àmumà ka ha nāgba ọsọ." Ụwa niile ndị naebi n'ebe ọtụtụ osisi naeto ahụwo n'ezie na osisi fir ha niile emewo mkpatụ nke ukwu. Óké ọhịa nọ náatalata kwa arọ n'ihi óké mgbutusị nke ọtụtụ osisi dị icheiche. Ugbu a ndịa náegbu osisi náamalite iwere ụgbọelu ibupụta osisi site n'ebe dị ndagwurugwu na n'elu ugwu. Igwè ukwu dị icheiche nke ha ji alụọlụ idozi okporoụzọ na ịdọpụta osisi ka ewereworo banye n'ókéọhịa tutu rue mgbe akụkụ niile nke ugwu matara na osisi fir "emewo nkpatu nke uku."

Ụzọ obasara na okporoụzọ dị icheiche nke anyị nke náenweghị ihe mgbochi ọ bụla bụ ihe ngosi dị ebube banyere ihe Nehum kwuru na ha gaemezu. Ịgba óké ọsọ nke ụgbọala n'ụzọ obosara niile, ihe ọghọm niile nke okporoụzọ ya na ntufu nke ndụ n'ebe ọ dị ukwu naagwa kwa anyị n'ezie na ụgbọala naakụkọrịta "otù na ibe ya n'ama nile." Ònye gaarọworị nrọ n'arọ olenaole garaaga banyere ụdị okporoụzọ nke nwere taa! Nke a naegosi ịgba óké ọsọ nke ụbọchị anyị nọ nime ha. Ihe nke naeme n'otù izù ugbu a naakarị ihe naeme n'otù arọ n'ọgbọ olenaole garaaga. Mmadụ na agbagharị iru na àzụ̀, mmụta naaba kwa ụba. Ọtụtụ mmadụ ugbu a naaga site ná mba rue ná mba ọzọ nime ụgbọala ma lata n'izu abụọ wee kpọọ ya nwanjèm izuruike. Otù narị arọ garaaga ọ naewe ọtụtụ ọnwa ịga njèm óké ahụhụ na ihe mgbu na iheegwù nke náadị kwa n'ụzọ.

Iheọmụma naaba ụba n'ogo dị elu nke mere na náánị olenaole nime anyị nwere ike ịghọta ihe anyị naagụ n'akwụkwọ mgbasaozi banyere ịbaụba nke iheọmụma. Ọ dịbeghịanya mgbe ọ naadịghị ọmụma zuruókè banyere ala anyị ma ugbu a mmadụ naeme dịka agaasị na ọ pụghị ịbịa námmazu nke eziokwu ahụ.

N'ịtụle ihe banyere ọnụọgụgụ nke ndị bi n'ụwa niile, ihe ọmụma nke imemmụọ adịghị aga akanaaka ya na ọgan'iru nke ihe ana ahụ́anya. Ma ndị ahụ ndị náakwadobe izute Onyenweanyị mgbe Ọ ga abịa naewere ihe ana ahụ́anya nke gbara ha gburugburu dịka ihe gaakpali ha ka ha naeché náekpe kwa ekpere ka ewee hụ ha ná njikere mgbe Ọ gaabịaghachi iwere ndị nke Ya.

Ihe niile nke anyị naahụ́ naeme na Palestine n'arọ olenaole garaaga bụ ihe ngosi nke akụkụ ikpeazụ maka Ụbọchị mkwadobe. Ndị Ju ndị ọtụtụ ndẹ mmadụ náachụ nta ha, naakpagbu, ma gbue kwa ha n'oge Agha Ụwa nke Abụọ nwere ugbu a otù mba nke anyị maara dịka Israel. Ala a ka Chineke kwere ha ná mkwà; ọ bụ ezie na esitere n'ihi nnupụisi ha chụpụ ha n'ala ahụ nwa oge, mkwà ahụ nke Chineke kwere na ha gaenweta ala ahụ n'ikpeazụ naeguzosiike rue taa. Mgbe anaedepụta ihe ndịa mmezu nke ụfọdụ nime mkwà ndị ahụ ka ákà gaemezu kwa, ma anyị niile naekwekọ na osisi fig ahụ amalitewo ịdị nrò ugbu a, naepupụta kwa akwụkwọ ndụ ya anyị wee mata na oge okpom ọkụ adịwo nso. Mkwà niile nke ekwere ndị Israel na mkwà niile ọzọ nke anyị naagụ nime okwu Chineke gaemezucha. Ọtụtụ nime amụma ahụ eburu banyere ndị Ju gaemezu n'oge Ọchịchị nke otù puku arọ ahụ; ma anyị kwere na amụma niile nke gaemezu tutu ọbịbịa nke Kraist erue emezuwo, Mwepụ na nzuzo nke Ndịnsọ dị kwa nso.

**Mmehie nke Naabaụba**

N'ụbọchị ikpeazụ ndịa ihe ọjọọ naabaụba n'ebe niile. Ọ fọdụrụ ntakịrị ka ndị ọchịchị niile kwerezue na omume nke mmebiiwu nke ụdị ọ bụla, na kwa isi ike na ajọomume nke ndị naetoliteetolite, naabawanye ụba. Ihe anaekwu kpatara ọtụtụ n'ihe ndịa bụ enweghị ezi ọ̀zụ̀zụ̀ n'ogo nke ekwesịrị ịhụ́ n'ezinaụlọ. Ọtụtụ omume nke echèworo na ha bụ ihe náekwesịghị maọbụ náadịghị ọcha nime n'arọ olenaole garaga ka anaanabata n'ụbọchị taa maọbụ were kwa ha dịka iheọchị. Sinima na kwa Television nke ụbọchị ikpeazụ ndịa, naewetara ụmụmmadụ ihe ahụ niile nke gaetida nguzo ha megide ihe ahụ naatọ anụarụ ụtọ na ihe niile sitere n'Ekwensu. Ezigbo OnyeKraist ọ bụla nke náeguzogide ihe ndịa niile nke ekwensu naewebata n'ụbọchị ikpeazụ ndịa ka ọtụtụ ndị ụwa naagụnye dịka onye naeso ihe ochie maọbụ onye iberibe nke náamaghị ihe anaeme n'oge a. Ụmụmmadụ pụrụ ịsị na ihe niile ndịa abịawo n'elu ụwa ịnọgide, na anyị gaanabata eziokwu ahụ ma naebi kwa ndụ nime ya. Ọ bụrụ na anyị ekwenye n'iruụka dị otú ahụ, anyị nwekwara ike ikwu n'otùaka ahụ sị kemgbe oge Adam ka mmehie malitere náadị n'ụwa na o kwesịghị ka anyị tie mkpu megide ya maọbụ ịgbambọ kwụsị ụmụmmadụ isoro ụzọ mmehie. Nke ahụ bụ ihe ọtụtụ mmadụ n'ụwa niile nke okpukpé NdịKraist naeme; ma ọ bụ ọlụ dịrị ezi nwa Chineke ọ bụla iguzosiike megide mmehie -- ma ná ndụ nke ọ naebi ma ná mkwusa ya.

**Ịhụn'anya nke Náajụ Oyi**

Anyị naagụ na Matiu 24:12 "N'ihi na ihe nēmebi iwu gāba ụba, ihun'anya nke ndi ka n'etiti madu gājụ kwa oyi." Anyị naahụ́ kwa na nke a, n'otù aka ahụ ihe ịgbaama nke ọgwụgwụ oge n'iru anyị. NdịKraist olenaole bụ ndị nwere ike ikwupụta n'eziokwu na ìgwè mmadụ na òtù nzukọ dị icheiche ndị ịhụn'anya Chineke dị ọkụ n'obi ha na mbụ bụ ndị jụrụ oyi ugbu a, ndị daramba, maọbụ ndị kpachapụrụ anya jụ iguzo n'eziokwu ahụ mgbe okwu banyere nsọpụrụ Chineke na ezi ịdịnsọ naeche ha iru. Nke a emewo wee bụrụ kwa ihe ọzọ nke na egosipụta na ụbọchị ndịa nke anyị bi nime ya bụ òzùzù nke oge nke Ndịmbaọzọ. Mmadụ ịbụ onye òtù nke nzukọ Kraist ka anaeme ka ọ dị mfe, ụfọdụ mmadụ wee náeche na ha bụ NdịKraist n'ihi na anabatara ha nime nzukọ. Nke a mere mmadụ ịbụ onye òtù nke nzukọ náebughị ụzọ nwee ọmụ́mụ́ ọhụụ iji bụrụ ihe mgbochi nye ịghọtazu ihe nke imemmụọ.

Nime ụbọchị ndịa nke kwesịrị ka ụmụmmadụ mee ihe niile ha pụrụ ime ka ha wee jikere maka ọbịbịa nke Onyenweanyị, anyị naachọpụta na Ekwensu ewezugawo obi ụmụmmadụ site n'inwe ezigbo agụụ ịchọ iru Chineke. Nzukọ mmekọrịta nke ndịokpuké naabụ náání òtù maọbụ otù ụzọ nke iji mee ka ezi nnabata dị n'etiti ndị kpọrọ onweha ndị nke Kraist. Nke a ka anyị naahụ́ dịka ihe ngosi nke bụ eziokwu na n'ihi ihe náemebiiwu gaaba ụba ịhụn'anya nke ndị ka n'etiti mmadụ gaajụ oyi. Anyị apụghị ịmụta ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke imemmụọ anyị site n'ụzọ ọzọ ma ọ bụghị ịgbasosi ihe nke imemmụọ ike. Ọ naewe ekpere, ịjụ onweonye na ime ka ndụ anyị dị ka òzízí niile nke okwu Chineke si dị.

**Ndị amụma Ụgha**

Ihe ịrịbaàmà ọzọ nke náegosi na anyị nọ nso ọbịbịa nke Onyenweanyị bụ na ndị amụma ụgha ejupụtawo ala anyị. Ndịisi nke okpukpé ụfọdụ naelefuru anya inye ndịiro nke obe Kraist ndịa ezi aha ruuru ha ịza. Ndị ụkọchukwu ụfọdụ naeche na aga akpọ ha ndị náabụghị ndịòtù Kraist ma ọ bụrụ na ha akwegide obe ọ bụla maọbụ ihe ọ bụla. Ezigbo ndị ụkọchukwu nke Oziọma naelezianya ikwusa Oziọma n'ụzọ eziokwu náagba kwa mmehie n'ụdị ọ bụla ọtọ. Ụfọdụ ndị anakpọ ụkọchukwu nke Oziọma naagọnarị ọbụná eziokwu ahụ nke doroanya nke Baịbụl na Ọbara ahụ nke awụsịrị iji zọpụta ha. Ụfọdụ naagọnarị kwa na Jisọs bụ Ọkpara Chineke ma naekwu kwa na ha bụ ndiKraist. Anyị gụrụ na 2 Jọn 10, 11 "Ọ buru na onye ọ bula abiakute unu, ma o wetagh òzízí a unu akpọbatala ya n'ulọ, unu asịkwala ya biri nke ọma: n'ihi na onye nāsi ya biri nke-ọma nēso ya n'inwekọ ọlu ya nile." Mgbe ụfọdụ ọ naabụ mmehie ịgba nkịtị, mgbe ụfọdụ ọ naabụ mmehie mgbe anyị rapụrụ ime ihe anyị kwesịrị ime iji gosi ndịọzọ na anyị naeguzoro n'òzízí niile nke Krasit.

Òzízí niile nke Kraist bụ òzízí nke Chineke n'ihi nke a ọ dịghị mkpà ịgbalị ime ka okwu dị ogologo site n'ikwu na Jọn Onyeozi kwuru ihe banyere náání ndị naagọnarị "na Jisọ bịara n'aunaru" nwere maka nzopụta, ma ịgọnarị "na Jisọs biara n'anu-aru." Ịgọnarị nke ahụ n'ezie, pụrụ ịgbachi náání otù ụzọ ahụ nke onye ahụ nwere maka nzọpụta, ma ịgọnarị òzízí ọ bụla ọzọ nke Baịbụl bụ kwa ịgọnarị Kraist. Ekwensu naeji ndị amụma ụgha alụ ọlụ n'àtụ̀màátụ̀ ya nke naegosi ụmụmmadụ ihe ha ganaeme, ọbụná n'ihe banyere okpukpé, ka o wee gbochie ha n'iso n'etiti ndị ahụ bụ́ ndị "edoziworo dịka nwanyị anālụ ọhụụ nke achọworo ya nma nye di ya"(Nkpughe 21:2).

**Ịlụsiọlụ ike nke Njehie**

O nwereike iju mmadụ anya otú o si dị mfé ụmụmmadụ ikwere ihe ụfọdụ nke náemekarị n'oge ikpeazụ ndịa. Anyị naagụta ọ̣zịzá maka nke ahụ na 2 Ndi Tesalonaika 2:11, 12. "N'ihi nka Chineke nēzitekwara ha ịlụsiọlụ ike nke njehie, ka ha kwere ụgha ahụ: ka ewe kpe ha niile ikpé, bù ndị nēkwegh ezi-okwu, kama ajọ omume diri ha ezi nma." Ọ bụ ha mere mkpebi ahụ ha ajụwo ịga ijè n'ezi ụzọ ahụ wee site na nke a mechie kwa ọnụụzọ nke obi ha nye Onyenzọpụta ahụ. Ụzọ ụfọdụ nke dị mfé dịrị ha ka ihe ekwesịrị ịchọsị ike. Ma ụzọ ndịa nke "dị mfe" hà naeduru n'Eluigwe? Jisọs bụ Ọnụụzọ ahụ ịgọnarị kwa Ya maọbụ òzízí Ya bụ imechi nááń ọnuụzọ ahụ nke náeduru Eluigwe.

**Ụwa nke Nọ ná Mgbagwojuanya**

Nsogbu nke chere ndị ọchịchị nke ụwa iru taa bụ eguzoghi n'otù ebe. N'ezie site n'ihe ebuworo n'amụma, obi ụmụmmadụ naama jijiji n'ihi egwù nke ihe ọjọọ gaje ịbịakwasị ụwa. Mgbe mmadụ naagbalị ịgụ ihe banyere ihe ịrịbaama nke ọgwụgwụ oge náarịbaghị amụma niile Baịbụl buru banyere ihe nke gaje ịbịa ama, ọ naghịadị ka enwere ihe apụrụ ijide aka ná nchịkọta nke ihe niile ma ọ bụghị nke obi ịlọmmiri. Ọ bụrụ na anyị elepụanya hụ́ na ụwa gbara ọchịchịrị anyị pụrụ ime ihe NdịKraist mbụ mere: iweli anya elu. Ha nwere ezi olileanya nime obi ha nke náefunarịghị kwa ha, dịka ha cheworo na ọ gaadịrị ha na mbụ mgbe Kraist nwụrụ kama ha eleworị anya nlọghachi nke Onyenwe ha. Olileanya ahụ abụrụwo ihe naeme ka ndụ ha dị ọcha, n'ihi na ha nọ náedozi onwweha náekwusa kwa okwu Chineke nye ndịọzọ ka ha ghara ichegbu onwe ha gabiga ókè banyere ihe niile nke gaje ịbịa n'elu ụwa nke a, ha ekwusaraghị kwa ụmụmmadụ ka ha jikere maka ịnwụọnwụ -- ozi ha bụ ka ụmụmmadụ jikere maka nlọghachi nke Onyenweanyị. Nke ahụ bụ ozi nke Nzukọ Kraist ahụ náebu agha taa. Anyị anọghị náenweghị olileanya, anyị adaghị kwa mbà. Ịhụn'anya anyị adịghị kwa ajụ oyi, kama ịnụọkụ n'obi maka ịhụ Onyenweanyị nime mbara igwe mgbe Ọ gaabịa iwepụ ndị nke Ya n'ụwa nke a naeme ka obi anyị dị ndụ nime olileanya dị nkọ. Ụwa naechè na ihe ike gaje ime, ọ bụ kwa ezie. Onyenweanyị gaabịa mgbe nso! Ì jikerewo?

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee otú ụgbọala taa ji mezue amụma eburu?
2. Òlee amụma nke dị ka ọ naekwu ihe banyere ụzọ obosara nke anyị nwere taa? Na nke ihe òghọm okporo ụzọ?
3. Gịnị ka "miri-ozuzo mbu" na "miri-ozuzo ikpe-azu" pụtara nime Palestain n'ihe anaahụ anya? N'ihe banyere ihe nke imemmụọ?
4. Gịnị mere igwè mmadụ ji náadabanye n'ịlụsiọlụ ike nke njehie nke ụbọchị ikpeazụ ndịa?
5. Gịnị bụ omume kwesịrị ka anyị mee n'ebe ndị bịara ịgbalị izi anyị òzízí ụgha nọ?
6. N'ụzọ dị añaa ka anyị hụworo osisi fig ahụ ka ọ malitere ịputa akwụkwọ ndụ?
7. Gịnị mere mmadụ ji naajụ oyi n'ụbọchị ikpeazụ ndịa?
8. Gịnị bụ otù nime ihe dịkarịsịrị ukwu nke gaeme ka anyị mee onweanyị ka anyị dị ọcha?
9. Gịnị mere obi ndị ụfọdụ ji naatụbọ n'ihi egwu?